# OKWUKWE NKE LỤPỤTARA ỌTỤTỤ IHE
## MAK 5:21-43
## IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 80 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Atula egwù, kwere nání̩" (Mak 5:36).**

**Ichéré Jisọs**

Ụmụ mmadụ ndị nọ n'ofè ọzọ nke akụkụ Óké osimiri ahụ bụ ndị dị iche n'ebe ndị Gerasa nọ ndị gwara Jisọs ka Ọ pụọ! Ọtụtụ mmadụ gbakọrọ izute Jisọs mgbe Ọ na-apụta n'ụgbọ Ya ná nlaghachi njèm Ya site n'ofè ọzọ nke Óké osimiri Galili. Eleghịanya ụfọdụ chọrọ ịnụ ilu ahụ nke Ọ na-atụ̀; ndịọzọ n'ezie nwere mmasị ịhụ́ Nwoke a Onye pụrụ ịlụ ọlụ ebube niile ahụ. Ọ dị kwa ndịọzọ ọ na anụ ọkụ n'obi izute Jisọs n'ihi na ha anụwo na Ọ pụrụ ịgwọ ndị arụ ná-esighị ike. Ọrịa na-arịa mmadụ niile -- ọgaranya, ogbenye, onye mụrụ akwụkwọ na onye ná-amụghị akwụkwọ, ndị ọlụ niile, na ndị ahụ ná-adịghị alụ ọlụ ọ bụla. Ma anyị matara n'otù aka ahụ, na onye ọ bụla, pụrụ ijekuru Jisọs n'ihi ọgwụgwọ nke mkpụrụobi na nke anụarụ.

Otù nwoke, onye aha ya bụ Jeairọs, bụ onyeisi nke ụlọnzukọ, Ụlọnzukọ nke ndị Ju ka ana-akpọ sinagọgụ. Ọ bụghị ọtụtụ nime ndị-isi ahụ kwere na Jisọs na n'ihe Ọ na-ezi. Nwoke a bụ́ Jeairọs, kwere na Jisọs, ọ bụghị náání̩ na O **nwere ike** ịgwọ nwa ya nwanyị kama o nwere ntụkwasịobi na Ọ **ga** agwọ ya. Ọ bụ otù onye nime ìgwè mmadụ ahụ bụ́ ndị gbakọrọ ịhụ́ Jisọs. Ọ ghọtara na ya nọ ná mkpà maka inyeaka nke Jisọs. Onyenweanyị adịghị enyere anyị aka náání̩ ma anyị nwere mmetụta na ọ dị anyị mkpà n'ezie na anyị chọkwara Ya. Jisọs agaghị emere anyị ihe ọ bụla mgbe niile anyị na-eche na anyị na-eme nkeọma site n'ike nke onweanyị.

**Nwa Ya Nwanyị Na Anwụ Anwụ**

Náání̩ otù nwa nwanyị Jeairọs nwere, nke gbara arọ̀ iri na abụọ na anwụ anwụ. Ọ ga-enweworị oké nwuta, ma olileanya batara n'obi ya mgbe o zutere Jisọs. Ihe mbụ Jeairọs mere bụ "ida n'ukwu Ya." Nke ahụ pụtara na o fèrè Jisọs òfùfè, emesịa o wee rịọ arịrịọ ya. Nke ahụ bụ ezi ụzọ kwesịrị anyị iji malite ekpere anyị niile – inye otuto na ikele Ya n'ihi ihe niile O mewooro anyị, tupu anyị arịọ ihe ọzọ site n'aka Ya. Jeairọs rịọrọ Jisọs ka Ọ tụkwasị nwa ya nwanyị ná anwụ anwụ aka Ya abụọ na aga agwọ ya. Ọ sịghị "ọ buru" ma-ọbụ "eleghi-anya" kama o kwuru n'owuwe anya, na "Ọ gādi ndu." Lee ụdị okwukwe dị ukwu nke o nwere! Jisọs wee sọpụrụ ya!

**Nwanyị Nke Nọ Ná Mkpà**

Jisọs soro Jeairọs jee, ma n'ụzọ ijé n'ụlọ ya, ebe nwata ahụ arụ ná adịghị ike tọgbọrọ, ọ dị ihe nke mere, ìgwè mmadụ gbara Jisọs gburugburu, ma otù onye "meturu" ya aka. Ná-agbaghị agụgọ, ọtụtụ mmadụ na akpagide Jisọs ma nke a bụ "mmetu aka" n'ihi mkpà, "mmetu aka" nke okwukwe.

Enyeghị aha nwanyị a, ma okwukwe ya bụ ihe nlereanya mara mma nye anyị. Ọ bụ nwanyị nke nọ n'ọrịa dị ukwuu. Mmadụ pụrụ ikwu na nke ya bụ nke jọkarịsịrị njọ. Ọrịa ya, nke nọworo arọ iri na abụọ, ewetaworo ya óké ahụhụ. O jekuruwo kwa ọtụtụ ndị dibịa, wee mefusịa ihe niile o nwere. Kama ọ ga-adị mma, ọ ná ajọ njọ karịa. Mgbe ọ nụrụ ihe banyere Jisọs, ọ gara ebe ahụ o kwesịrị ịga maka inyeaka.

**Ihe Mgbochi Dị Iche Iche**

Ọ bụghị ihe dịrị ya mfé, dịka onye nọ n'ọrịa, ịchọtara onweya ụzọ n'etiti igwè mmadụ ahụ. Ọtụtụ oge mgbe anyị na-achọ ka anyị rute nso Jisọs, anyị aghaghị ịkwatusị ọtụtụ ihe nke dị n'ụzọ anyị. anyị ga-eji ha chụọrọ Chineke àjà ka ihe ọ bụla ghara ịdị n'etiti anyị na Onyenzọpụta. Dịka ọ na-agbalị imeghere onweya ụzọ irute Jisọs nso, eleghịanya ụfọdụ mmadụ ga-emere ya ohere iji nyere ya aka, mgbe ndịọzọ ga-ajụ ịpụ n'ụzọ, ma ọ̀bụrị ime ya ka ọ daa mba. N'ụbọchị taa anyị ga-abụ ihe inyeaka ma ọ bụ ihe mgbochi nye ndị nọ anyị gburugburu. Ọ dịghị ihe dị ka mmadụ ikwu sị na ya abụghị onye mgbochi ma ọ bụ onye inyeaka. Jisọs sịrị, "Onye nādigh n'akukum nēmegidem" (Matiu 12:30).

**Náání̩ Imetụ Aka**

O chéré na ọ bụrụ na ya ga-emetụ náání̩ uwe ya aka na a ga-agwọ ya – ma agwọrọ ya! Ọ gara n'iru n'etiti ìgwè mmadụ ahụ, ná-agbanyeghị na Jisọs ahụ́ghị ya, o metụrụ ọnụ uwe Ya aka. Ngwa ngwa agwọrọ ya! Ọ bụghị náání̩ na ihe mgbu ya lara ọbụná ọrịa ahụ n'onweya lakwara. Anyị gụtara na ọ matara n'arụ ya na emere ya ka arụ dị ya ike n'ajọ ọrịa ahụ.

Jisọs matara ihe banyere ya ná-ajụghị ajụjụ ọ bụla. Anyị apụghị ịnara ihe ọ bula n'aka Jisọs ma ọ bụrụ na Ọ mataghị ihe banyere ya, Ọ jụrụ ajụjụ sị ònye metụrụ Ya aka, ka ndịọzọ wee mata kwa, n'ihi nwanyị ahụ kpọrọ isiala nye Ya wee nye kwa ihe ịgba àmà ya. Jisọs kwagidere ọlụ ahụ alụworo nime ya mgbe O kwuru okwu udo nye obi ya nke nwere nsogbu.

**Ọnwụ Ada Jeairọs**

Cheta kwa na Jisọs na-aga n'ụzọ Ya ijé gwọọ ada Jeairọs, ma ọ dịghị enwe óké ọlụ nke ná-egbochi Ya inyere ndị nọ ná mkpà aka. Mgbe Jisọs cheere ná-agwa nwanyị ahụ okwu, orù Jeairọs bịara gwa ya na ọ dịghị kwa mkpà na Onyenweanyị ga-ejé, ebe ọ bụ na nwa ahụ anwụwo. Ha chèrè na Jisọs pụrụ náánị ịgwọ ya ma ha amaghị na Ọ pụrụ ime kwa ka o si n'ọnwụ bilie.

**Emere Ka O si N'ọnwụ Bilie**

Nke a abụghị onye mbụ nke Jisọs mere ka o si n'ọnwụ bilie. Na Luk 7:11-15 anyị na-agụ ihe banyere otù nwa nwoke nke nwanyị di ya nwụrụ na Nain. Nke a bụ ihe ịma atụ̀ banyere ihe ná-eme onye ahụ nke "nwuru anwu nime ndahie na nmehie ya nile." Mgbe onye ahụ zutere Jisọs, Ọ na-eme ka o bilie "jéghari kwa na ndu ọhu." Nke bụ na, mgbe onye mmehie kpere ekpere wee nwee mmekọrịta ya na Chineke, ọ bụrụwo onye azọpụtara o wee ná-ebi ndụ dị iche.

Ọbụná tupu Jisọs agwọ nwatakịrị ahụ, O ji okwu ndịa gbaa Jeairọs ume: "Atula egwù, kwere nání." Jisọs ekweghị ka ndị mmadụ soro Ya, dịka Ọ matara na ụfọdụ nọ n'ebe ahụ ibo ebubo na ekweghị ekwe. Ndị mụrụ nwa agbọghọ ahụ na ndị ná-eso ụzọ Ya mmadụ atọ -- Pita, Jemes na Jọn -- náánị ha na Ya nọ mgbe O jidere nwatakịrị ahụ n'aka ná-asị "Bilie." Ọ bụghị náánị ndụ ka enyere ya, kama emekwara ka ọ dị mma dị kwa ike.

Ndị èzinaụlọ ahụ nọ ná-eru uju n'ihi nwatakịrị ahụ nwụrụ anwụ, ma na nwa mgbe ntà, o juru ha anya mgbe ha hụrụ ada Jeairọs biliri wee jee ijè. Ihe ndịa niile sitere n'okwu nke Jisọs, Onye n'ebe Ọ nọ ọ dịghị ihe a na-apụghị ime.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị ka anyị na-ekwu mgbe anyị sị, "bikwasi ndi nriaria aka"?
2. Gịnị ka ndị Ụkọchukwu anyị na-eme mgbe ha na-ekpere ndị ọrịa ekpere?
3. Gịnị bụ ihe ahụ nke Jisọs sịrị mere ka arụ dị nwanyị ahụ ike?
4. Òlee otú o si mata na arụ adịwo ya ike?
5. Gịnị mere Jisọs ji jụọ ònye metụrụ Ya aka?
6. Ònye bụ̀ Jeairọs?
7. Gịnị mere o ji jekuru Jisọs?
8. Ọ̀ bụ oge ra añaa ka o were nwa agbọghọ ahụ iji dị ike?